***<u>Year C #773</u>***

***Finding from Searching***

***Ịchọta site na Nchọcha***

***031204-3***

*Daalụ Ezi enyim! Nke a bụ Dọrọti-*

***Jisọs!*** Ka anyị chee ihe banyere Jisọs n'ụtụtụ a. O juputararị n'amara; juputa n'eziokwu; juputakwa n'ebube; nke otu Ọkpara amụrụ naanị Ya. E nwere ọtụtụ ụmụ ndiikom, mana naanị otu Ọkpara ka e nwere - nke nwere mkpụrụ edemede okpotokpo Ọ - bụ Jisọs, Onye Nzọpụta nke bụ Kraist Onyenweanyị.

Na **Luk isi abụọ malite n'ahiri nke asatọ rue na nke iri abụọ** , anyị gụrụ na ndi ọzụzụ-atụrụ nke ụlọ-nsọ ahụ bụrị ndị mbụ bịara ileta Jisọs. Ugbua ndi ọzụzụ-atụrụ a, n'enweghị obi abụa, nọkwa na-echere mpụta-ìhè nke nkasiobi Israel, dịka onye nchụaja Simeon mere. Ha abụghị nnọ ndi ọzụzụ-atụrụ nkiti; ha nọ na-elekọta ìgwè atụrụ ndi ahụ na-enweghị ntụpọ, nke a na-aghaghị iche nche ma kpọtakwa ha, kwa ụbọchị, maka ọchụchụ-aja ndi a di ukwu na-aga n'iru n'ụlọ nsọ ahụ. Ha ghọtararị na e nwere otu Onye nke gaje ịbịa otu ụbọchị, ma naanị Ya bụ Nwa Atụrụ Chineke n'enweghị ntụpọ. Ha ghọtara ihe edeworo n'Akwụkwọ Nsọ nakwa mkpa nke ọchụchụ-aja dị, ka e wee wụsa Ọbara ịkwa ụzọ ịbịa n'iru Chineke dị nsọ.

**10 Mmụọ-ozi ahụ wee sị ha** - bụ ndi ọzụzụ-atụrụ ahụ - **Unu atụla egwu; n'ihi na lee, ana m ezì unu ozi ọma nke oké ọṅù** . . . Ọ bụ

na nke ahụ adịghị ịtụnanya? Ị maara, ị pụrụ ị na-eme otu ihe ahụ nke ị na-emekarị ma na ntabi anya otu onye e wee sị, "enwere m ozi ọma nke oké ọṅù!" . . . **nke ga-adịrị** . . . – ọ bụghị naanị ha onwe ha, kama kwa - . . . **ndi Israel niile.**

*Ya mere, taa ka anyị bata nime* ***ozi ọma nke oké ọṅụ****, nke dịrị anyị -* ***bụ mmadụ niile.*** Ndi ọzụzụ-atụrụ ndi a, site n'ịdị ọcha nke ndụ ha na ịdị mfe nke mkpụrụ-obi ha pụrụrị ịbụ ndi tozuworo oke ịbụ ndi mbụ e ziri ozi ahụ ma gọziekwa site n'aka ndi mmụọ-ozi ahụ. Ndi mmụọ ozi ahụ aghaghị ịbụ nọrịsị na-erubiga n'ọṅụ izi mmadụ ozi sị - "Hee - lee anya n'ebe ahụ! Onyenweanyị arịdatawo ma yikwasi onwe Ya anụ-arụ! Ọ nọ ebe ahụ!" Ị pụrụ ịhụ nke ahụ n'uche? Ha aghaghị irubiga oke n'ọṅụ izi mmadụ ozi! Ọ dị mma, ndi a nọ ebe ahụ na-eche atụrụ ha nche ma nọrọkwa na njikere. Amaghị m, mana ndi mmụọ-ozi ahụ aghaghị ịbụ ndi juputara na mkpali-ọṅụ inwe ike ikesa ozi a.

"Kedụ oge nke afọ ka ọ bụ?" ka ị na-ajụ. "Ọ bụ Ọnwa Disemba n'ezie?" Ọ dị mma, ihe wereanya bụ na a nọ na-azụ atụrụ ndi ahụ n'ọhịa maọbụ ọzara gbasara agbasa n'oge abali. Oge ya nwere ike ịbụ tupu maọbụ agafetụ ọnwa Disemba n'ezie nihi etu ụdịdị-ụbọchị siri dị. Ị maara na ụbọchị ọ bụ abụghị ihe kachasị mkpa. Ihe wereanya bụ na anyị adịghị e fee ụbọchị; anyị adịghị e fee ememe maọbụ usoro ihe-omume; anyị na-efe Kraist dị ndụ. Ihe m hụrụ n'anya banyere ndi ọzụzụ-atụrụ a dị oke ọnụahịa bụ na ha maara na Chineke maara ihe banyere ha. Chineke maara ọlụ Ya niile siteri na mmalite nke ụwa. Chineke maara ihe banyere ndi ọzụzụ-atụrụ ahụ nọ n'ezi. Ọ bụghị nnọ mpụta ìhè nke

ịbụ mmadụ Ya nke e chere were ọnọdụ na nkenke oge na-agafe agafe, kama ọbụ ezi ngwakọ nke Chineke na mmadụ **n'ihe ahụ dị nsọ**, nke a gaje ịmụ. Chineke mararị ihe ndi a niile, mana Chineke maara ndụ ndi dị njikere ịga ife ofufe. Ọ bụ na ị pụghị ịhụ n'uche ihe bụ echiche ha dịka ha na-eje? Ana m eche ọtụtụ mgbe ihe banyere nke a, nihi na eleghị anya n'oge a Meri na nwatakịrị ahụ anọdụwori ala, ebe Josef nọ n'otu ebe, ma anụmanụ nọkwa ebe ahụ. Mgbe ahụ , na ntabianya, lee ndi ọzụzụ-atụrụ ka ha na-ele anya Jisọs!

A gwara anyị na **Aisaia isi iri na otu ahiri nke mbu - Ome ga-esi kwa n'ogwe-osisi Jesi pụta, otù alaka nke sitere na mkpọrọgwụ ya ga-amị kwa mkpụrụ:**

A gwakwara anyị n'**Ọlụ Ndi Ozi isi iri na ise** mgbe Jems sịrị -**n'áhiri nke iri na atọ**

**13 . . . Ụmụ nna m, nụrụnụ olu m:**

**14 Simeon kọrọ otú Chineke buru ụzọ leta ndi mba ọzọ . . .** I soo na ya! Na mgbe ochie agaghị enwe ụdị ohere a, mana Chineke kpọtara mmadụ niile n'ebe ha pụrụ ịbịa mara Jisọs, ka ha wee bịa ma nabata Ya.

E nwere ahiri nta nke m hụrụ n'anya dị na **Luk isi abụọ ahiri nke uru na abụọ** . Mgbe Meri zutere ndi a, ọ ghọtawori ihe ọchịchọ ahụ bụ maka ya. Mgbe ndi ọzụzụ-atụrụ ndi a bịara ma a gwawori ha sị . . . **Unu ga-ahụ** - site n'ịchọ, ya bụ - **Nwa ọhụ** - Onye Nzọpụta ahụ . . . Meri maara nke a, nihi na amaara m n'obi ya mgbe ọ kpọrọ Jisọs **Onye Nzọpụta m**, o nyochawori Akwụkwọ Nsọ ma mata

onye Ọ bụ, bụ onye ọ mụworo. Ya wee tụgharịa wee sị, “Orù Gị nwaanyị, Onyenweanyị”. Ndi ọzụzụ-atụrụ ahụ hụrụ ihe ha lewori anya ya na-amataghị ya mgbe ha na-achọ nwa-atụrụ ahụ zuru oke maka ọchụchụ-aja n’ụlọ nsọ. Ha hụrụ, mgbe ha lekwasịrị Jisọs anya , bụ obere nwa ahụ nọ n’ebe a na-etinyere anụmanụ nri, Nwa-Atụrụ Chineke. **Nwa-atụrụ Chineke, Nke na-ebupu mmehie nke ụwa!** Mgbe i na-eche ihe banyere nwatakịrị ahụ nọ n’ebe a na-etinyere anụmanụ nri, mgbe i na-elekwasị onye nke a anya, nwatakịrị ahụ bụ Kraist, kedụ onye i na-eche ihe banyere ya? I na-eche banyere Onye ahụ dịrịị njikere ịbịa ịbụ Onye Nzọpụta gị, Onye ahụ bịara ibi ndụ na-enweghị ntụpọ, ịgbapụta mmadụ; ịgbapụta ụwa nke a site n’aka onye-iro ahụ onye maara na otu ụbọchị a ga-egwepịa ya, dịka a na-egosi site n’ihe edeworo n’Akwụkwọ Nsọ nke e nyere anyị na **Jenesis isi atọ ahiri nke iri na ise?** Ị dị njikere ịsị Onyenweanyị, *Onyenweanyị, achọwo m ma amaghị m maọlị ihe m nọ na-achọ, mana e nwere oghere a dị n’obi m nke Chineke kwaziri. Anwawo m ihe niile. Amaghị m ihe nọ n’ezi, mana e nwere ihe na-akọ? Achọghị m okpukperechi.* Adịghị m enye okpukperechi. Mana ị ga-asị Onyenweanyị, *Ana m anabata Gị ugbua.*

*N’aha Jisọs. Amen.*